Obodo Lithuania

Reception and Integration Agency

euaa EUROPEAN UNION AGENCY FOR ASYLUM

# IKIKE NA OKENỌRỤ GỊ NA NNABATA GỊ



Ozi a bụ maka gị ma ọ bụrụ na:

- ịrụbeghị afọ 18
- gị na otu onye ma ọ bụ ndị nne na nna gị abụọ so bata
- gị na ezinụlọ gị tinyere akwụkwọ maka ebe mgbaba (a na-akpọkwa nchekwa zụrụ ụwa ọnụ) na Obodo Lithuania.

IGBO

# NDỊNAYA


Gị na ezinụlọ gị nwere nchebe n'obodo a 3

Onye nwere ike inyere gị aka? 3

Gịnị ka gị na ezinụlọ gị ga-enweta? 4

Ikike inweta nlekọta ahụike 6

Kọọrọ ndị ọrụ ahụ 7

Gịnị bụ nyocha nke ọdịmma kacha mma? 8

Ikike inweta agụmakwụkwọ 8

Ikike ịrụ ọrụ 9

Akwụkwọ ịchọ ebe mgbaba gị 9

Kedu ebe gị na ezinaụlọ gị ga-anọ? 10

Kedu ihe ị nwere ike ime ma ọ bụrụ na mmadụ mejọọ gị? 11

Kedu okenọrụ nnabata gị na ezinụlọ gị nwere? 12

Kedu ihe ga-eme ma ọ bụrụ na gị ma ọ bụ ezinụlọ gị ekweghị eme okenọrụ gị? 13

Usoro iwu eji etinye akwụkwọ maka ịchedo mba ụwa na njem ịga n'obodo ndị agunere na EU 14

Kedu ihe ga-eme ma ọ bụrụ na gị na ezinụlọ gị gbaga n'otu n'ime obodo ndị ọzọ? 15

Onye nwere ike inyere gị na ezinụlọ gị aka ma ọ bụrụ na ị ekwenyeghị na mkpebi ndị ọchịchị mere ? 16


Kedu ihe ga-eme ma ọ bụrụ na ụfọdụ nkwado gbanwee? 16

Ozi mkpọtụrụ 17

## Gị NA EZINỤLỌ Gị NWERE NCHEBE N’OBODO A

Gị na ezinụlọ gị gwara ndị ọchịchị na gị enweghi ike ịlaghachi n’obodo gị n’ihi na gị nọ n’ihe ize ndụ, ma gị etinyela akwụkwọ maka ebe mgbaba. Gị na ezinụlọ gị bụ ndị na-achọ ebe mgbaba na obodo Lithuania.

## ONYE NWERE IKE INYERE Gị AKA?



Na Europe, a na-ewere onye ọ bụla na-erubeghi afọ 18 dịka nwatakiri, ma o nwekwara ikike inweta **enyemaka pụrụ iche**.

N’oge ịnọ mba ahụ, ndị ọkachamara ndị a nwere ike inyere gị aka, dịka ọmụmaatụ:

- **Onye ọrụ mmekọrịta ọha** ga-enyere gị na ezinụlọ gị aka n’ihe ndị ị chọrọ kwa ụbọchị, ma ọ bụ kpọtụrụ ndị ọkachamara ndị ọzọ ndị nwere ike inye aka gboo nsogbu pụrụ iche.
- Onye **Dọkịta** ma ọ bụ **nọọsụ** ga-enyere gị aka ma ọ bụrụ na ị na-arịa ọrịa, merụọ ahụ, ma ọ bụ nwee mkpa maka enyemaka ọgwụgwọ ọ bụla.
- **Onye ọkà n’akparamàgwà mmadụ** ga-enyere gị aka ma ọ bụrụ na ị na-enwe mwute, iwe, ụjọ, nchekasị ma ọ bụ na ị na-enwe nsogbu ịrahụ ụra.
- **Onye ndụmọdụ n’iwu** ga-enyere gị na ezinụlọ gị aka ịghọta ihe ga-eme n’oge usoro ịchọ ebe mgbaba ma ọ bụrụ na ị chere na a naghị akwanyere ikike gị ugwu.
- **Onye ntapịa asụsụ** nwere ike inyere gị aka ikwurịta okwu n’asụsụ ị na-aghọta. Ọrụ ha bụ ịsụgharị kpọmkwem ihe gị na ndị ọzọ na-ekwu.

Ị nwere nsogbu ọ bụla? Ị nwere ike ịjụ ndị ọrụ maka enyemaka na nkwado mgbe ọ bụla. Ụjọ atụla gị, a pụrụ idozikọ nsogbu ọnụ.

## GỊNỊ KA GỊ NA EZINỤLỌ GỊ GA-ENWETA?

Ị ga-enweta ụdị nkwado na ọrụ dị iche iche mgbe ị na-echere ka ndị ọchịchị nyochaa akwụkwọ ịchọ ebe mgbaba gị. A na-akpọ nke a **nnabata**.

Dịka nwata na dị ka onye na-achọ ebe mgbaba, ị nwere ikike ma nwekwa okenọrụ ndị ị ga-asọpụrụ. A kọwara nke a na akwụkwọ ngosị a.

Ọ bụrụ na ịghọtaghị akụkụ ụfọdụ nke akwụkwọ ngosị a ma ọ bụ na ị nwere ajụjụ ọ bụla, jụọ ndị ọrụ na nne na nna gị.



N'oge ị nọ gị n'obodo a, ndị ọrụ ga-enye gị ozi ndị ọzọ dabere na ọnọdụ gị. Ị nwere ike ịjụ ajụjụ n'oge ọ bụla.

**Dabere na ọnọdụ gị, gị na ezinụlọ gị ga-enweta:**



- ebe ị ga-ehi ụra



- Nri ma ọ bụ ego izụta nri



- uwe



- ngwa e ji edebe onwe gị ọcha



- Ezinụlọ gị nwekwara ike inweta ego maka izuru ihe kwa ụbọchị.

# IKIKE INWETE NLEKỌTA AHỤIKE

**Ndị ọchịchị ga-ahụ na ị nwetara nlekọta ahụike ịchọrọ.**

**Ị nwere ike ịkọrọ ezinụlọ gị na ndị ọrụ banyere nsogbu ahụike ọ bụla ị nwere.** Ha ga-enyere gị aka ịhụ nọọsụ ma ọ bụ dọkịta ma ọ bụrụ na ọ dị mkpa.



Ọ bụrụ na dọkịta chere na ọ dị mkpa, ha ga-enye ọgwụ yana oge nleta ịbịa hu ndị ọkachamara.

Ndị ọrụ ga-agwa gị na ezinụlọ gị ma ọ bụrụ na ị nwere I ike abịariri nnyocha ahụike ihụ nọọsụ ma ọ bụ dọkịta.

Ha nwere ike enyocha ahụike gị ma nye gị enyemaka dị mkpa.

Ọ bụrụ na ị nwere nsogbu ahụike mberede ma ọ bụ mmerụ ahụ nke chọrọ ọgwụgwọ ngwa ngwa, gwa nne na nna gị ma ọ bụ ndị ọrụ. Ọ bụrụ na ị nọghị ebe ịbị, ị nwere ike ịkpọ nọmba mberede 112 n'efu.


## GWA NDỊ ỌRỤ MA Ọ BỤRỤ NA:







- ị na-arịa ọrịa, merụọ ahụ ma ọ bụ nwee mkpa inweta nlekọta ahụike ngwa ngwa ma ọ bụ ọgwụ
- ị na-aṅụ ọgwụ ma ọ bụ mmanyaọkụ
- Ị nwere ahụmahụ nke ihe ike ma ọ bụ mkpagbu n'oge gara aga ma ọ bụ na ị na-enwe ya ugbu a
- ị dị ime ma ọ bụ nwere ike ịdị ime
- ị apụghị iga ije n'onwe gị, ma ọ bụ ị nwere nsogbu ịnụ ihe ma ọ bụ ịhụ ụzọ
- ị na-enwe nchekasị nke ukwuu, mwute, enweghị ike ịrahụ ụra ma ọ bụ ị na-enwe echiche ọjọọ
- ị nweghị obi ịrụ ala ma ọ bụ na-atụ egwu mmadụ, ma onye ị na-amaghị ma ọ bụ onye ị maara
- amanyela gị ma ọ bu na a na-amanye gị ime ihe ị na-achọghị ime
- ịnweghị obi ịrụ ala n'ihi okwukwe gị, onye ị hụrụ n'anya, otu ị si eyi akwa ma ọ bụ otu ị si eme omume
- ndị ezinụlọ gị chọrọ nkwado.



## GỊNỊ BỤ NNYOCHA NKE ỌDỊMMA KACHA MMA?



Ọ bụ ihe omume ebe ị ga-ahụ ndị ọrụ ndị ọzọ ndị ga-ajụ gị ajụjụ iji:

- ghọta **mkpa** gị
- kpebie ụdị **nkwado** ịchọrọ.

Nke a ga-enyere ndị ọchịchị aka ime mkpebi dị mkpa, dịka ebe gị na ezinụlọ gị ga-anọ.

Ị nwere ike ịtụkwasị nọọsụ, dọkịta na ndị ọrụ obi. Ị nwere ike ikọrọ ha ihe ọ bụla. A gaghị akọrọ onye ọzọ ihe ọ bụla ị kwuru ma ewezụga ndị mụrụ gị ma site na nkwenye gị. Wezuga naanị ma ọ bụrụ na ndụ gị ma ọ bụ nke onye ọzọ nọ n'ihe ize ndụ ma ọ bụ dịka iwu chọrọ.

Ọ bụrụ na ịchọghị ka agwa nne na nna gị ma ọ bụ ka ha sonyere, gwa ndị ọrụ. Ha ga-enyocha arịrịọ gị ma kpebie site na ihe kacha baara gị uru.

## IKIKE INWETA AGỤMAKWỤKWỌ



Dị ka nwata, ị nwere ikike agụmakwụkwọ na mmụta. Ọ bụrụ na ị na-aga ụlọ akwụkwọ ma gbaa afọ 18 n'oge a, ị nwere ike ịga n'ihu na abịa ruo mgbe agụmakwụkwọ ahụ gwụsịrị.

Ndị ọrụ ga-enyere gị na ezinụlọ gị aka idebanye aha n'ụlọ akwụkwọ mpaghara. Ha ga-agwa gị banyere klaasị nkwadebe mmụta asụsụ na ihe ọmụmụ ndị ọzọ. Ọ nwere ike ka dị mkpa na ị ga-amụ ihe ọmụmụ ndị a.

Ndị ọrụ ahụ ga-agwa gị maka ihe mmụta na ihe ntụrụndụ iji nyere gị aka ịmụta, ịzụlite onwe gị ma nweta ndị enyi ọhụrụ.

## IKIKE ỊRỤ ỌRỤ





Site na afọ ole ịdị yana ọnọdụ gị, enwere ike ịhapụ gị ka ịrụwa ọrụ na obodo Lithuania,ọ bụrụ na ịchọrọ ka. Onye ọrụ ga-enye gị ozi ndị ọzọ.

Ọ bụrụ na emeghị mkpebi na ngwa mgbapu gị n'ime ọnwa isii, na igbu oge abụghị gị kpatara, ị nwere ike ịrụ ọrụ na obodoLithuania.



Ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị niile n'erubeghị *afọ* 14 enweghị ike ịrụ ọrụ.

## AKWỤKWỌ ỊCHỌ EBE MGBABA GỊ



Ị ga-enweta akwụkwọ nkeonwe nwere aha gị na foto gị.

Nke a na-egosi na ị bụ onye na achọ ebe mgbaba n'obodo a. Ị ga-ejiriri ya na-aga ebe ọ bụla ị na-aga oge ọ bụla.

Akwụkwọ a dị mkpa, kpachara anya ka ị ghara ịtụfụ ya ma enyekwala ya onye ọzọ.

A na-akpọ akwụkwọ Àsàmbodò Ndebanye Aha Mba Ọzọ

## KEDU EBE GỊ NA EZINAỤLỌ GỊ GA-ANỌ?

Ebe gị ga-anọ mgbe ndị ọchịchị na-atule ịchọ ebe mgbaba gị, dabere na ọnọdụ gị.



Onye ọrụ ahụ ga-egosi gị **ebe** unu **niile ga-anọ**, dịka ọmụmaatụ n'ụlọ obibi ụfọdụ, n'obodo ukwu ma ọ bụ n'ógbè ụfọdụ.

Nke a nwere ike ịdabere na ebe ndị pụtaranụ ma ọ bụ na mkpa nke ezinụlọ gị.

Ọ bụrụ na ezinụlọ gị achọghị ịnọ n'ebe obibi ahụ ma ọ bụ ka ị pụọ n'obodo ma ọ bụ n'ógbè ahụ na nwa oge, ha ga-anata ikike n'aka ndị ọchịchị.

**Gị na ezinụlọ nwere ike ịnata nkwado na ọrụ naanị n'ebe ndị ọchịchị kpebiri.**

Naanị oge ụfọdụ ka a na-etinye ezinụlọ na-ebe ha apụghị ịbịa ma pụọ otu ha si chọọ. Ọ bụrụ na ị nọ n'ọnọdụ a, onye ndụmọdụ iwu na onye ọrụ ga-enyere gị [unu] aka.

**Na agbanyeghị ebe ị bị ị nwere ikike ị:**




- **soro ezinụlọ gị bịrị**



- **nweta enyemaka ịjị chọọ ndị otu ezinụlọ gị, ma ọ bụrụ na ị maghị ebe ha nọ.**

**Ị nwere ikike inwe nchekwa. O nweghị onye nwere ikike:**




ịmenye gị ụjọ



ịkparị gị



ịmerụ gị ahụ

Na-agbanyeghị ndị ha bụ nye gị, ma ha bụ ọbịa ma ọ bụ onye ịma ama.


Ọ bụrụ na gị na ndị mụrụ gị ma ọ bụ onye ọrụ enwee nsogbụ ọ bụla, ị nwere ike ikwupụta ya.

## KEDU IHE Ị NWERE IKE IME MA Ọ BỤRỤ NA MMADỤ MEJỌỌ GỊ?



Ị nwere ike ịgwa onye ịtukwasịrị obi, onye otu ezinụlọ, onye otu ndị ọrụ, ma ọ bụ ọrụ nchekwa na nkuchi ikike ụmụaka steeti, ị nwere ike ịhụ nkọwa kọntaktị ha na ngwụcha broshuọ

Ọ bụrụ na mmadụ akpaso gị agwa ọjọọ, ị nwere ike ịkọrọ ya ndị ọchịchi ka egbochie ya ime ọzọ. Nke a ka a na-akpọ ‘ime mkpesa’.



**Gee Nti!**

Ọ bụrụ na ị nọghị ebe ibi ma nwee ihe ize ndụ, ị nwere ike ịkpọ nọmba mberede mba 112 n’efu site n’ekwentị ọ bụla.

## KEDU OKENỌRỤ NNABATA GỊ NA EZINỤLỌ GỊ NWERE?

Ọ dị mkpa ka ị kwuo eziokwu ma gbaso usoro iwu ndị ọchịchị, na agbanyeghị na ọ na-atụ ụjọ ma sie ike ịkọ akụkọ gị mgbe ụfọdụ.

Ndị ọrụ ga-enyere gị aka ma ọ bụrụ na ha matara maka ọnọdụ gị.



Ebe ọ bụla gị na ezinụlọ gị ga-anọ, a ga-enwe iwu ndị ị ga'esoro. Dika ọmụmaatụ, ị ga akwanyeriri ndị bị ebe ahụ na ndị ọrụ ugwu na ị agaghị eme mkpọtụ n'oge ịdị nwayọọ .

Ndị ọrụ ga-akọwa iwu ndị a na ntaramahụhụ ma ọ bụrụ na emeghị iwu ndị a.

Ọ dị oke mkpa ka gị na ezinụlọ gị:

✔ soro iwu nke ebe ị bị

- Mee ka ebe ahụ dị ọcha
- Alụla ọgụ
- Ejila mmanya ma ọ bụ ọgwụ ọjọọ eme ihe
- Soro ndị ọchịchị na-akwado

✖ agbapula pụọ n'ebe ndị ọchịchị gwara gị bịrị

✔ soro iwu nke obodo nke onye ọrụ ga-akọwara gị .

## KEDU IHE GA-EME MA Ọ BỤRỤ NA GỊ MA Ọ BỤ EZINỤLỌ GỊ EKWEGHỊ EME OKENỌRỤ GỊ?



Ọ bụrụ na nke a emee, ị nwere ike ịgwa ndị ọrụ ahụ okwu n'ezoghị ọnụ ma kọwaa ọnọdụ unu na ihe kpatara ya.

Ndị ọchịchị ga-enyocha ọnọdụ ahụ ma gwa ndị muru gị ma ọ bụrụ na ha chọrọ ime ịhe ụfọdụ.



Dịka ọmụmaatụ, ọ bụrụ na otu n'ime ndị ezinụlọ gị agbapụ pụọ n'ebe obibi, obodo ma ọ bụ ogbe, ebe ndị ọchịchị kpebịrị na ezinụlọ unu ga-anọ, **ezinụlọ ahụ nwere ike inweta obere enyemaka.**



Ọ bụrụ na otu n'ime ndi ezinụlọ gị emee ihe ike, **ezinụlọ ahụ nwere ike kwusi inwetekwa nkwado ahụ**. Enwere ike ikpọ ndị uwe ojii.

**Ugbua gị na ezinụlọ gị nọzi na obodo Lithuania nke bụ obodo ndi so na EU. Obodo ndị so na EU bụ:**

- Mba 27 so na European Union (EU): Austria, Belgium, Bulgaria, Croatia, Cyprus, Czechia, Denmark, Estonia, Finland, France, Germany, Greece, Hungary, Italy, Latvia, Lithuania, Luxembourg, Malta, Netherlands, Poland, Portugal, Republic of Ireland, Romania, Slovakia, Slovenia, Spain, Sweden na
- Mba 4 ndị ọzọ: Iceland, Liechtenstein, Norway na Switzerland.

## USORO IWU EJI ETINYE AKWỤKWỌ ỊCHỌ EBE MGBABA NA IGA NJEM NA MBA NDỊ SO NA EU

**Ndị ọrụ ga-akọware gi na ezinụlọ gị iwu ndị a dị mkpa. Ị nwere ike ịjụ ha ajụjụ n'oge ọ bụla.**




- Gị na ezinụlọ gị aghaghị ịnọ na obodo Lithuania ma ọ bụghị na unu ga-agbapụ na obodo ọ bụla sonyere na EU.
- Ọ bụrụ na ị nwere ndị otu ezinụlọ gị bị na obodo ndị a, ndị ọchịchị ga-agwa gị maka ikike gi gbasara ịnọkọ ọnụ ọzọ nke ezinụlọ. Agbapụkwala.

  Ị nwere ike ịche echiche gbasara ịpụ ma ọ bụ na ndị mmadụ nwere ike mee ka i kweta ịgbapụ. Onwere ike ịbụ ihe dị njọ nye gị.
  Gị na ezinụlọ gị ga-agwa onye ọrụ ahụ ma kọwaara ha ọnọdụ gị. Onye ọrụ ahụ nwere ike inye gị ndụmọdụ.

- Ọ bụru na ị gbapu, ọ ga-enwe ntaramhụhụ ọjọọ, nke a kọwakware na akwụkwọ ngosi a. Dịka ọmụmaatụ, ị ga-enweta obere nkwado nnabata n'obodo nke ọzọ.
- Ị ga-etinye akwụkwọ maka mgbapu n'obodo EU+ mbụ ị bịarutere, ọ gwụla ma ndị ọchịchị agwa gị iwu dị iche.
- Naanị otu n'ime obodo ndị a kwesiri ịnyocha akwụkwọ ịchọ ebe mgbapu gị. Ndị ọchịchị nọ na obodo Lithuania ga-agwa gi obodo nke kwesiri ime nke a.

Ị ga-amụta maka usoro ndị a na-akwụkwọ ngosi ndị ọzọ dị iche.

## KEDU IHE GA-EME MA Ọ BỤRỤ NA GỊ NA EZINỤLỌ GỊ GBAGA N'OTU N'IME OBODO NDỊ DỊ NA EU?




**Na obodo Lithuania:**

- a ga-akwụsi usoro ndenye akwụkwọ maka ebe mgbaba gị.

**Na obodo EU ndị ọzọ:**

- ndị ọchịchị nwere ike ikpebi ịzighachị gị azụ na obodo EU ị si puta.

Site n'oge ndị ọchịchị mere ka ị mata maka mkpebi ha ịzighachị gị azụ, ị gaghị enwekwa ikike ụfọdụ, dịka ọmụmaatụ:

- ị gaghị enweta nkwado ụfọdụ na
- a gaghị ekwe ka ị rụọ ọrụ.

## ONYE NWERE IKE INYERE GỊ NA EZINỤLỌ GI AKA MA Ọ BỤRỤ NA Ị EKWENYEGHỊ NA MKPEBI NDỊ ỌCHỊCHỊ MERE?



I nwere ike ịrịọ onye ndụmọdụ iwu maka enyemaka. Onye ndụmọdụ iwu bụ onye ma iwu di n'obodo a ma ga-enwe ike imuta ọnọdụ gị ma nywere gị aka.

Onye ndụmọdụ ga-agwa gị maka ụlọ ọrụ ndị na-abụghị nke gọọmentị ndị nwekwara ike inye gị ozi na.




I nwere ike ịkpọtụrụ ndị United Nations Refugee Agency (UNHCR) oge ọ bụla. UNHCR na-ekpụchịta ndị amanyere ka ha hapụ obobo ha.

## KEDU IHE GA-EME MA Ọ BỤRỤ NA ỤFỌDỤ NKWADO GBANWEE?

Ọ bụrụ na ndị ọchịchị kpebie ịbelata ma ọ bụ kagbuo ụfọdụ n'ime nkwado onye otu ezinụlọ na-enweta n'ihi otu ọnọdụ dịka e si kọwaa na peeji, onye otu ezinụlọ ahụ ga-enweta enyemaka dịka ọnọdụ nke onwe na mkpa ha si dị. Ha ka ga-enwekwa ike ihu onye dokịta ma ọ bụ nọọsụ, nwete enyemaka ahụike, ụfọdụ nkwado ma ebe a na-ehi ụra bụ ebe ndị ọchịchị ga ekpebị.



Mgbe ndị ọchịchị kpebịrị ịkagbụ ihe nkwado nke nnabata gị na ezinụlọ gị n'ihi na ị gbagara obodo EU ndị ọzọ, ụdị nkwado gị ka ga-enweta ga adabere na ọnọdụ na mkpa gị.

Ị ka ga-enwe ike ịga ụlọ akwụkwọ.

# OZI MKPỌTỤRỤ

O buru na gị na ezinụlọ gị nwere ajụjụ ọ bụla ma ọ bụ na ị chọrọ nkwado mgbe ị bị ebe a, ị nwere ike gwa ndị na-arụ na:

| Ikike nnabata | |
|---|---|
| Reception and Integration Agency | info@piia.lt +370 602 49364 |

| Ikike ndị ọzọ dị mkpa | |
|---|---|
| Ngalaba Migration | info@migracija.gov.lt +370 707 67000 |

| Ikike ndị ọzọ dị mkpa | |
|---|---|
| Ọrụ nchekwa oke ala steeti | dvks@vsat.vrm.lt +370 707 59305 |

Ị [unu] nwekara ike ikpọtụrụ ndị otu a, maka ajụjụ gbasara:

| nkwado ahuike | |
|---|---|
|  | Ụlọ ọrụ nnabata na njikọta<br>info@piia.lt +370 602 49364<br>ma ọ bụ ịgakwuru ndị ọrụ pụrụ iche n'ime Ụlọ ọrụ |

## nkwado psychosocial



Caritas nke Vilnius Archdiocese: kulturunamai@vilnius.caritas.lt
+370 673 48052
Ụlọ ọrụ nnabata na njikọta
i info@piia.lt +370 602 49364
ma ọ bụ ịgakwuru ndị ọrụ pụrụ iche n'ime Agency
Nkwado mmetụta uche na-amaghị aha nye ụmụaka na ndị nọ n'afọ iri na ụma:
116 111 (site na 11.00 ruo 00.00)
Nkwado site na nkata ịntanetị (site na 14.00 ruo 23.00)
www.vaikulinija.lt
Nkwado mmetụta uche maka ndị na-eto eto:
+370 800 28888 (24/7)
Nkwado site na nkata ịntanetị (24/7)
www.jaunimolinija.lt

## nchekwa ụmụaka



Ọrụ Nchekwa ikike ụmụaka na nkuchi steeti
info@vaikoteises.lt 0 800 10 800

## akara enyemaka maka ụmụaka nọ n'ihe egwu



Ọ bụrụ na ọ dị gị ka a na-eleghara gị anya ma ọ bụ nọ n'ihe egwu ị nwere ike ịkpọ 0 800 10 800 Mọnde-Saturday: site na 8.00 ruo 20.00.

Iji kọọ akụkọ a na-enyo enyo mebiri ikike ụmụaka na-abụghị oge ọrụ, n'ụbọchị a naghị arụ ọrụ, ma ọ bụ na ezumike ọha, biko kpọtụrụ ndị ọrụ mberede site na nọmba mberede 112.

Nkwado mmetụta uche na-amaghị aha nye ụmụaka na ndị nọ n'afọ iri na ụma:

116 111 (site na 11.00 ruo 23.00)

Ọnlaịnụ: https://www.vaikulinija.lt/ (site na 14.00 ruo 23.00)

[Nhọrọ] Ọ bụrụ na nwanne gị nwoke, nwanne gị nwanyị ma ọ bụ enyi efu efu, ị nwere ike ịkpọ Hotline 116 000 - Ụmụaka na-efu efu Europe.

## ndụmọdụ gbasara iwu, enyemaka na nnọchite anya



Enyemaka iwu steeti na-ekwe nkwa:
teisines.paslaugos@piia.lt +370 602 49364
Lithuania Red Cross Society: ndụmọdụ gbasara iwu
legal@redcross.lt; ịchụso na ijikọ ndị ezinaụlọ na ndị ikwu
tracing@redcross.lt

**ndị United Nations Refugee Agency (UNHCR)**
**na-echebe ọdịmma na ikike nke ndị na-achọ ebe mgbapu na ndị gbara ọsọ ndụ.**




Banyere UNHCR na Lithuania - UNHCR Lithuania

Ekwentị:

Ndị nnọchi anya UNHCR maka mba Nordic na Baltic (Stockholm, Sweden): +46 10 10 12 800 (Monday - Fraịdee, 10.00-12.00 oge Stockholm)

Officelọ Ọrụ Mmekọrịta UNHCR (Vilnius, Lithuania): +370 5210 7416 (Monday ruo Fraịdee, 9.00-17.00 Oge Vilnius)

Email: swestprotection@unhcr.org

| | |
|---|---|
| Lithuania Red Cross Society: nlekota oru | stebesena@redcross.lt +370 682 16597 |
| International Organisation for Migration (IOM) Vilnius Office | Enyemaka na nloghachi afọ ofufo na enyemaka mweghachi +370 8 001 2342, iomvilnius@iom.int |

Ọ bụrụ na ị nwere nsogbu ahụike mberede ma ọ bụ mmerụ ahụ nke chọrọ ọgwụgwọ ngwa ngwa, gwa nne na nna gị ma ọ bụ ndị ọrụ. Ha ga-enyere gị aka!

Ọ bụrụ na gị na ezinaụlọ gị a nọghị ebe ị bị ma ị nwere ihe mberede ma ọ bụ na ị nọ n'ihe ize ndụ, ị nwere ike ịkpọ nọmba mberede ndị a n’efu:

**ihe mberede ahụike: 112**

**ndị uweojii: 112**

Ọ bụrụ na ị enweghị ekwentị, ị nwere ike ịgwa mmadụ ka ọ kpọọrọ gị nọmba mberede.

Akwụkwọ ngosi a bụ naanị maka ozi. Ọ dịghị emebe ikike ma ọ bụ okenọrụ n’onwe ya. Ndị European Union Agency for Asylum (EUAA) enyela isi ihe ndị ga-ehiwe akwụkwọ a, ikike mbipụta na mgbanwe nke akwụkwọ ngosi a ka EUAA nyere naanị ndị EU Member States. Ndị EUAA anaghị anabata ụta ma ọ bụ ụgwọ ọ bụla maka izi ezi, ọdinaya, mmezu, ndaba n’iwu ma ọ bụ ndabere nke ozi agụnyere n’akwụkwọ ngosi a sitere n'aka ndị EU Member States ma ọ bụ ndị ọzọ bụla bụ ọrụ ha. Ma EUAA ma ọ bụ onye ọ bula na-eme ihe n'aha EUAA bụ enweghị ikike maka ojiji ọ bụla ga-apụta n’ozi dị na akwụkwọ ngosi a.

© European Union Agency for Asylum, 2025